# ÓKÉ OSIMIRI UHIE; MMERI ISRAEL MERIRI NDỊ IJIPT

## Ọpupu 13:17-22; 14:1-31; 15:1-21

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 57 - Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Onye anābara nba ọtutu mgbe, ma o nēkwesi olu-ya ike, n'otù ntabi-anya ka agētipia ya, ọ digh kwa ngwọta di" (Ilu 29:1).**

**I Ọpụpụ Ahụ site N'Ijipt**

1. Mgbe Chineke naecheta adịghịike mmadụ nke dị nime Israel, O dubigara ha n'ụzọ ọzara, Ọpupu 13:17, 18; 14:11, 12; Abù Ọma 78:39; 103:6, 7, 13, 14
2. Ha buuru ọkpụkpụ Josef, Ọpupu 13:19; Jenesis 50:25; Joshua 24:32; Ọlu Ndi-ozi 7:15, 16; Ndi Hibru 11:22
3. Chineke ji ogidi igwèoji na ogidiọkụ náedu ha wee náekpuchi kwa ha, Ọpupu 13:20-22; Ọnu-ọgugu 9:15-23

**II Nchụso nke Fero na Ihe Yiri Ọnọdụ Enweghị Olileanya nke Ụmụ Israel**

1. Ụzọ Ụmụ Israel soro mere ka Fero chee na ha amakwaghị ihe ha naeme na ha efuwo kwa, na ọ dị mfé ndịagha ya ibibi ha, Ọpupu 14:1-4; Ọnu-ọgugu 33:1-8
2. Fero kwara ụta n'ihi na ọ rapụrụ Ụmụ Israel, o wee chụso ha n'àzụ̀, Ọpupu 14:5-9
3. Egwù naatụ Ụmụ Israel mgbe ha hụrụ ndịagha nke Ijipt, Ọpupu 14:10-12; Abù Ọma 106:7; Aisaia 31:1
4. Moses nyere ndị Israel ezi nkasịobi, Ọpupu 14:13, 14

**III Nnapụta site Náaka Ndị agha nke Ijipt**

5. Chineke sọpụụrụ okwukwe Moses, wee gwa Ụmụ Israel ka ha gaa n'iru, Ọpupu 14:15, 16; Ndi Hibru 11:29
6. Ikpé mbibi nke ikpèazụ̀ ka ezigara iji gosi ịdịadị na ịdịike ebighịebi nke Chineke, Ọpupu 14:17, 18; Abù Ọma 106:7-12
7. Ogidi ọkụ ahụ bụ ìhè nye Ụmụ Israel ma ọ bụ ọchịchịrị nye ndị Ijipt, Ọpupu 14:19, 20; 2 Ndi Kọrint 2:14-16; Jọn 3:18; Abù Ọma 105:39
8. Eji ike Chineke mee ka mmiri ahụ niile kewaa, Ọpupu 14:21, 22; Abù Ọma 77:15-20; Job 26:10-12; Aisaia 63:11-14; I Ndi Kọrint 10:1, 2
9. Mmiri nke Osimiri ahụ kpuchiri ndị Ijipt ahụ nwebigara ntụkwasịobi ókè, Ọpupu 14:23-31

**IV Abụ̀ Mmeri**

10. Nnapụta ikpèazụ̀ anapụtara Ụmụ Israel site ná mmegide nke Fero, mere ka ha tụọ egwù Jehova wee nye kwa Ya otuto, Ọpupu 14:31; 15:1-3; Abù Ọma 66:5-7; Nkpughe 15:1-4
11. Ha gụpụtara nime abụ̀ ha otú ihe niile si mee n'ọlụebube ahụ, Ọpupu 15:4-10
12. Ngosi nke ike Chineke a kpaliri abụ̀ ekele na otuto, Ọpupu 15:11-13
13. Egosịrị ihe ntakịrị n'ụdị ibuamụma, otú ọlụebube a gaesi metuta mba Kenean, Ọpupu 15:14-16; Joshua 2:9-11
14. Enyere ha mkwà na Chineke gaanọgide n'imere ha iheọma nke ịdịadị ebighịebi Ya náakwagidesiike, Ọpupu 15:17-19; Aisaia 51:9-11
15. Ndịnyom Israel zaghachiri n'abụ̀ otuto, Ọpupu 15:20, 21; Maika 6:4

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Ikpé Mkwụghachiụgwọ**

Eleghịanya n'ogologo oge a ha bụ̀ orù n'Ijipt, ọ dị Ụmụ Israel ka Chineke anụghị ekpere ha niile. Ma Chineke agbanyewo anyammiri niile nke ndịorù ndịa nime karama Ya rue mgbe atañị nke iheọjọọ ahụ kụzuru, na enyere ọ̀zízá n'ihi anyammiri ọ bụla. Ijipt emekpawo Israel arụ̀ ọtụtụ arọ̀, ma oge mkwụghachị mesịrị bịa. Ọ dị ka ọ nọrọ ọdụ ịbịa, ma o zuruókè mgbe ọ bịara. Mkwụghachị niile nke anaagbakọta n'ọtụtụ ọgbọ garaaga ka emere ka ọgbọ ikpèazụ̀ a kwụghachị, bụ́ ndị náedozighị ihe ọjọọ niile nke ndị mụrụ ha meworo, kama ọ dị ha ụtọ ịnọgide nime ya ka ha onweha wee nara urù náezighị ezi nke inwe ndịorù -- otù omume nke Chineke náadịghị akwagide mgbe ọ bụla.

Ọ dị mma ka anyị site n'ihe ndịa nke mere mụta amamihe. Mkwụghachi Chineke, nime iweta ahụhụ n'ihi ihe ọjọọ emere, mgbe ụfọdụ, dịka anyị naahụ́, náeweta ikpé zuruòkè n'arụ ndị ikpèazụ̀ ahụ nke náejidesi ihe ọjọọ a aka ike ndị jikekwara idebe iheọjọọ ahụ náagbanyeghị ihe ọ bụla ọ gaefu ha. Jisọs kwusịrị ya ike na ọ bụ n'isi ndị Ju nke ọgbọ Ya ka ọbara ndị eziomume awụsịrị n'eluụwa, gaabịakwasị, site n'ọbara Ebel, onye eziomume rue n'ọbara Zakaraia nwa Barakaia, onye ha gburu naagbata Ụlọnsọ na ebe ịchụàjà (Matiu 23:35). Anyị matara site n'iheodide nke akụkọ ụwa na nke mezuru nnọọ otú esi kwue ya na n'isi ndị Ju ka ebokwasịrị ikpéọmụma nke nwụsị Ọbara nke Jisọs, site n'ogbugbu ọjọọ anaemeghị ebere nke egburu ndị Ju mgbe ebibiri Jerusalem. Ha gaagbanarịwọrị mkwà ahụhụ a, site n'ịnara Jisọs dịka Mesaia ha, kama ha rọọrọ imegide Ya. Ndị Ijipt nke oge Moses gaañụrịwọrị ọñụ nime ndụ ọma na nchebe nime ọtụtụ arọ nke náesote ma asị na ha sọpụụrụ ma ñaa kwa Chineke nke Israel ntị; kama, n'ọnodụ nke a, ha rọọrọ ụzọ nke iheọjọọ.

**Mmalite Ijé Ahụ**

Ụzọ dị nso rue Kenean gaabụworị n'akụkụ osimiri site n'ala ndị Filistia bi. Ma agwara anyị n'akụkọ ụwa na ndịagha nke Ijipt nọchiri ụzọ ahụ, na ọ dị kwa óké mgbidi nke sitere n'Osimiri Uhie rue osimiri Mediteranean. Asị na Ụmụ Israel ji ibu agha malite ijè ha ijéru Ala Mkwà ahụ, apụrụ ịhụ náenweghị obiabụọ na ha gaenweworị obi ịdambà, nupụụrụ Moses na Eron isi, wee laghachi n'Ijipt.

Iji gbochie nke a, Chineke duuru ha n'ụzọ ọzara. Ha bụ mbà ndịorù nke anaejikọghị ọnụ o wee dị mkpà na ha gaenweta ịdịike na nzụpụta nke ndụ nime ọzara nke gaeme ka ha mụpụta ọgbọ ndị gaenwe ike imeri wee biri kwa n'ala ahụ nke ọ bụ ndị dị ike bi nime ya. Chineke duru ha n'ụzọ dị rịkọ̀rịkọ̀ ka O wee kpọọ ha ịbịa nso n'akụkụ ugwu ịnụ ụ̀dà olu Ya. Chineke gaeduru anyị Eluigwe ma anyị soro Ya, ma O kweghị mkwà na Ya gaedú anyị n'ụzọ dị nso. Otù ihe were anya: Ọ gaghị edú anyị n'ụzọ ndị "Filistia" maọbụ ndịọzọ ndị gaeweta mbibi nke anyị (Ndi Rom 8:28).

Asị na Ụmụ Israel si n'ụzọ dị nso baa Palestine, ha gaatụfuworị ókè nchebe na mmeso ọma Chineke nke ukwuu. Ọ dịghị mgbe agaabụworị Abụ̀ nke Moses, ụbọakwara Miriam agaghị adaworị ụ̀dà. Ha agaghị achọpụtaworị Elim, na ọtụtụ olulummiri ya na mkwụ ya niile; Sainai kwa, na ọtụtụ okwu nke ịhụn'anya na iwu ya, gaabụwori ihe anaamaghị. Manna ahụ nke sitere n'Eluigwe gaabụworị ihe anaenyeghị, ntachịobi na ịdị mma nke Chineke n'oge ọnwụnwa gaabụworị ihe ha náedetụghị ire.

Ụmụ Israel nwere okwukwe na ntụkwasịobi na nrapụ ha naarapụ Ijipt bụ̀ rue ebighịebi, na ebe ha naeje bụ ala Kenean. Nke a ka egosiri na ọbụ eziokwu n'ihi na ha chịrị ọkpụkpụ niile nke Josef Nke a abụghị ifè ọkpụkpụ ndị nwụrụanwụ, n'ebe ha nọ, kama ọ bụ imezu mkwà ekwere Josef, na agaelikọ ọkpụkpụ ya na ndị ya.

**Ogidi Igweoji na Nke Ọkụ**

Jehova kpugheere Moses Onweya nime ọhịa ahụ náenwu ọkụ̀, ma ugbu a Ọ naekpughere ndị Israel Onweya nime Ogidiọkụ̀ na igweoji. Óké igwèmmadụ a nke ịdịntà ha gaadịworị ihe ra ka ndè mmadụ atọ (3,000,000) aghaghị ịnọsa ọtụtụ maịlị n'ala ahụ niile dị larịị nke ọzara na n'akụkụ niile nke ugwu, ọ dị kwa ha mkpà inwe ihe ịrịbaàmà nke ha pụrụ isi n'ebe dị anya hụ́. Otù ihe ahụ nke pụtara ngọzị nye ndị Israel bụ ihe mgbochi nye ndịiro nke ndị Chineke. Mgbe ndịagha nke Ijipt bịara ndị Israel nso, ogidi ahụ wee jee n'agbata ha, wee bụrụ ìhè nye Ụmụ Israel na ọchịchịrị nye ndị Ijipt. Ma Fero na ndịagha ya nọgidesiriike n'ịchụso ha. Ọ dịghị ihe ọ bụla n'obi ha nke pụrụ ịña ntị n'ịdọakanántị nke Chineke. Iko nke ajọomume ha ejuwo.

Ndị Israel nọ nime ihe yiri ọnyà. Osimiri dị n'iru, ugwu dị n'akanri na n'akaèkpè, ndịagha nke Ijipt nọ ha n'àzụ̀. Ọ bụ ezie na okwukwe dara, ntụkwasịobi Moses guzosiriike. Ọ maghị nnọọ na mbụ otú Chineke gaesi nápụta, ma ọ mara na Chineke gaanapụta ha! Anyị naekwere site n'otú Chineke si gwa Moses okwu, na ngwangwa ọ gwasịrị Ụmụ Israel okwu nkasịobi na Chineke gaanapụta ha, ọ gara n'ekpere, náarịọ ka okwu nkasiobi ahụ nke enyeworo pụta ìhè nye ha. Ọ̀zịzá Chineke bụ, "Gini mere i nētikum? ... bulie ijè" – ha wee bulie ijè ha!

**Osimiri Emere Ka O Kewaa**

Esetịpụrụ mkpan'aka, ewee mee ka ụsụrụ mmiri niile nke okéosimiri kewaa. Égbèeluigwe kpọtụrụ, igweoji wee wụpụ mmiriòzùzò, ma ala nke ókéosimiri ghọrọ ala akọrọ (Abụ̀ Ọma 77:16-20). Lee ihe ebube niile nke pụrụ imeeme nááná n'ihi okwukwe ntà na irubeisi kpamkpam! Ma ọ dịghị onye pụrụ "ibuli ijè" n'ike nke Chineke ma o bughị ụzọ "guzo du" nime adịghịike nke ya onweya. Ọlụebube a wetara egwù n'obi ndị niile bi n'ala Kenean, n'ihi na anyị gụtara na ụjọ ka naejide kwa ha mgbe iri arọ anọ gasịrị (Joshua 2:9-11).

Ọtụtụ mmadụ naajụ ikwere akụkọ nke isi n'Osimiri Uhie gabiga site n'ịjụ ihe ọ bụla dị ebube nime ya. Ha naasị na ọtịta mmiri pụrụ ichè na óké ifufe n'ebe mmiri dị ntakịrị meghere ụzọ nye ha. Ma enyere anyị akụkọ a dịka ọlụebube, ọ bụghị nááná n'akụkọ dị icheiche nke Akwụkwọnsọ, kama ọ dị kwa n'Abụ̀ Ọma nilie na Abụ̀ otuto nke Israel naabụ̀ ọbụná taa. Asị na ọ bụ nááná ọtịta mmiri nke Osimiri, na ọ bụghị ọlụ dị ebube, Fero na ndịisi agha ya gaamaworị ihe gbasara nke a karịa ka Israel maara ya. Onye náachị ndịagha agaghị eduba ndịagha ya n'ihe ọ maara na ọ gaeweta ọdịda, mgbe ọ maararị ihe niile gbasara ifufè na njégharị nke mmiri ọ bụ ihe náekwesịghị ka ekwere na ihe ndịa niile pụrụ ime n'ụdị o si mee iji zọpụta Israel niile ma bibie ndị Ijipt niile nááná site ná nchigharị nke ihe ekèrèèkè.

Ihe a niile bụ ikpé Chineke megide Ijipt na ebere nye ndị Israel. Ndị nyere iwu, n'arọ niile garaaga, na agaatụba ụmụ nwoke niile ndị Hibru n'osimiri, ka ebibiri n'olulu nke ha onweha kwadowooro ndịọzọ (Esta 7:10). Chineke naenyeghachi onye ọ bụla dị ka ọlụ ya niile si dị. Ọlụ nke a nke gosịrị idịzùike nke Chineke mere ka ndị Ijipt kwere na Chineke nke Israel bụ nááná Chineke na ọ bụ kwa ezi Chineke. Ihe ahụ niile nke ha jụrụ ikwere mgbe Chineke ji ndidi náemeso ha, na mbụ, ka ha kweere na ha, ọbụná n'oge nke óké iheọjọọ nke ikpéazụ̀ ahụ dakwasịrị ha.

**Abụ̀ Nke Moses**

Ihe mbụ Israel ji gosi ndụ ọhụụ nke mba nweworo onweya bụ ntiwa nime abụ̀ ọñụ nke enyere ha, nke amaara dịka Abụ̀ nke Moses. Ọ bụ̀ abụ̀ inyeekele, bụrụ kwa abụ̀ náewepụta amụma dị ebube nke náekwu otú mbibi ebibiri ndịagha nke Ijipt gaesi metụta mba niile nke dị gburugburu. Ọ naekwu banyere obibi agaebi na Kenean na ọdịn'iru, owuwu Ụlọukwu Chineke na ebe nsọ n'Ugwu Zaiọn, na ebighịebi nke ọchịchị Chineke na òfùfè Ya. Moses bụ

onye náede abụ̀ dịka ọ bụ kwa onye nyere iwu. Ọ bụghị nááni na o dere akụkọ, iwu, ndụmọdụ, na amụma, ma karịa otù ugbò o mere ka ha guzosieike rue mgbe ebighịebi nime abụ̀ nke Mmụọ Nsọ kpaliri. Agwara anyị na Ndịagbapụtara gaabụ̀ abụ̀ nke Moses n'Eluigwe (Nkpughe 15:3). Ọ dighị abụ̀ ọñụ maọbụ abụ̀ olileanya ebighịebi dị n'Ijipt, n'ihi na ekwesighị ntụkwasịobi na ekweghịekwe, enweghị ụdị abụ̀ mmeri na otuto dị otú a. Ekele dịrị Chineke n'ihi na O nyewo ndị Ya ohere nke otuto na òfùfè iji bịarue Ya nso karị na iji kwa rue ibe ha nso na nkekọ nke mmekọrịta site n'ịbụ mkpụrụokwu ndịa náakpali mmụọ n'abụ̀. "Bukue JEHOVA abù, n'ihi na O biliwo elu nke-uku; inyinya na onye ọ nēbu Ọ tubawo ha n'oké osimiri."

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Gịnị mere Jehova ji due Ụmụ Israel n'ụzọ nke ọzara?
2. Gịnị ka isi n'Ijipt bupu ọkpụkpụ Josef gosịrị?
3. Gịnị ka Jehova ji due Ụmụ Israel n'arọ niile ha nọrọ n'ọzara.
4. Gịnị ka Fero chèrè na ọ bụ ihe mere Ụmụ Israel mgbe agwara ya ụzọ ha si náejéijè ha?
5. Ndị Ijipt hà nọgidere n'ekele n'ihi Ụmụ Israel arapụwo Ijipt?
6. Gịnị ka Ụmụ Israel mere mgbe ha hụrụ ka ndị Ijipt naabịa?
7. Òlee ndụmọdụ Moses nyere Ụmụ Israel?
8. Òlee iwu Chineke nyere Moses mgbe Moses kpereekpere maka inyeaka?
9. Kwue ihe mere ndị Ijipt mgbe ha chụsoro Ụmụ Israel
10. Òlee mgbe anyị kwesịrị "iguzo dù," òlee kwa mgbe anyị kwesịrị "ibuli ijè"?